Nnyocha Ịgwọ Ọgwụ N'omenala Igbo Nke

Magnus Aniago
Institute of African Studies
University of Nigeria, Nsukka
maniago@unn.edu.ng
+2347064977068

Thankgod Ikenegbu
Institute of African Studies
University of Nigeria, Nsukka thankgod.ikenegbu@unn.edu.ng
+2348037726826

George Okagu
Institue of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka ogbonna.okagu@unn.edu.ng
+2348034843334
*Correspondence Author

Ụmị Edemede

Ndị Igbo bụ ndị na-agwọ ọgwụ dị ka ọtụtụ mba dị n'Afrika, na kwa obodo ndị ọzọ. Ọtụtụ ihe na-agbagwoju ndị mmadụ anya n'ihe gbasara ịgwọ ọgwụ na ọnọdụ ya. N'ihi ya ka nd ị nchọcha jiri mee nnyocha ihe gbasara ịgwọ ọgwụ na ọnọdụ ya n'omenala Igbo. E lere anya na nnyocha a ga-abawanye nghọta ndị mmadụ nwere banyere ọgwụ e ji agwọ ọrịa na nke ji eme ihe ndị ọzọ dị iche iche metụtara mmadụ kwere na ya. Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee mee nchọcha ha. Ngwa ha ji me nchọcha bụ ihe e dere n'akwụkwọ, nke e dere na inteneeti, ajụjụ ọnụ, ihe ndị nchọcha jiri anya ha hụ, na ihe ha maara n'onwe ha. Nchọpụta ha gosiri na ọgwụ ndị dibịa na-eme dị ụzọ abụọ, nke e ji agwọ ọrịa, na nke e mebere iji gboo mkpa ndị ọzọ na-echere ndị mmadụ aka mgba. O nwekwara mgbe ụfọdụ ndị dibịa na-erekwa ọgwụ ha, were ọnọdụ dị otu a mee amansi ihe ọma ma ọ bụ ihe ọjọọ ọgwụ ha nwere ike ime. Nchọpụta

gosiri na ọtụtụ mmadụ na-enwe mgbagwoju anya ka ọgwụ a gwọrọ agwọ si arụ ọrụ n'ala Igbo.

Ǫkpụrụkpụ Okwu Ga: Ịgwọ ọgwụ, irekwa ọgwụ, dibịa, na ndỊ mmọọ

Mkpǫlite

NdỊ Igbo bụ ndị bi n'Ǫwụwa Anyanwụ Naijiria. Ha bụ ndị Igbo, asụsụ ha bụkwuazị Igbo.

A ga-ahụ ha na Steeti Anambra, Imo, Abia, Ebonyi, Enugu, na mpaghara Steeti Delta, Benue, na Kogi. Ha bụ ndị a maara ka ndị na-arụsi ọrụ ike. N'oge gboo, ihe e jikarị mara ha bụ ọrụ ugbo, ma oge ugbua, ihe e jiri mara ha karịa bụ ịzụ ahịa na ịrụ ọrụ bekee. Ndị Igbo nwere ọtụtụ omenala gbara ọkpụrụkpụ maa mma, dị ka ịkwanyere okenye ugwu. O nwekwara omenala ndị nke na-agbagwoju ndị mmadụ anya dị ka iti mmọnwụ na ịgwọ ọgwụ.

A na-akọwa omenala n'ụzọ dị iche iche, ma nkọwa niile ndị a na-arụtụ aka na omenala bụ ka ndị si eme. Nke a metụtara ụdị nri ha na-eri, ka ha si eyi akwa, na ka ha si ebi ndụ. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenaala ha. Omenaala ndị ka e ji ama ha. Ogbonna (2018) kọwara omenaala dị ka ụzọ ebimụndụ nke e ji mara mba na agbụrụ dị iche iche. Odo, Mbah, na Okey-Agbo kọwakwara na omenaala ndị bụ echiche na omume ha. N'aka nke ya, Eze (2021) kọwara omenaala ka usoro nkịtị ndị ọbụla si eme ihe n'usoro ebimụndụ n'agbụrụ ha. Omenala ndị ka e ji mara ha.

Otu ihe gbara ọkpụrụkpụ n'omenala Igbo bụ ikpere chi na nkwenye n'ike ndị ihu ma ọ bụ ndỊ ishi, na kwa ụmụ mmọọ dị iche iche. Ndị Igbo kwenyere na ndị a, a kpọrọ aha nwechara ike karịrị ike mmadụ. Ǫ bụ ya mere ha ji akpọku ha n'ọtụtụ ihe ha na-eme n'elu ụwa. Ǫ bụghị naanị ndị a, ndị Igbo kwetakwara na mgbọrọgwụ na osisi, na akwụkwọ osisi dịgasị n'ime ọhịa nwechara ike dị n'ime ha, nke na mmadụ jikọọ ha nke ọma, onye ahụ ejiri ha mewe ihe ga na-atụ ndị mmadụ n'anya.' Ǫ bụ nke a mere ndị nchọcha jiri kpebie inyocha otu n'ihe ndị ahụ e kwuru, na-esite n'ijikọ mgbọrọgwụ ndị a, na ịkpọku ndị mmọọ wee mepụta. Nke a ka a kpọrọ 'ọgwụ.' E lere anya, na nchọpụta ga-esi na nnyocha a,

ga-enye aka mee ka ndị mmadụ ghọta ọtụtụ ihe gbasara ịgwọ ọgwụ bụ nke ha na-atụ nnukwu ụjọ.

Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee were mee nchọpụta ha. Ngwa nchọcha ha gụnyere ihe e dere n'akwụkwọ na inteneti. Nke ọzọ sitere ajụjụ ọnụ na ihe ndị nchọcha jiri anya hụ, na nke ha ma n'onwe ha. Nchọpụta gosiri na ọtụtụ ndị Igbo kwenyere na ike dị n'ọgwụ a gwọrọ agwọ. Ndị dibịa na-ejikwa ya edozi ma ọ bụ emebi ihe. Oge ụfọdụ, ha na-eji ihe dị n'ọgwụ eme amansi iji zi ihe ha nwere ike ime.

Ike Dị Na Mgbọrọgwụ Na Mkpa Akwụkwọ

Ọtụtụ ndỊ kwere na ike anaghị ahụ anya dịcha n'ụmụ akwụkwọ osisi dị n'ime ọhịa na mgbọrọgwụ ha. O nwebeghi onye nwere ike ịkọwa ka ike ndị a si bata na akwụkwọ na mgbọrọgwụ ndị a, ma ọtụtụ mmadụ kwenyere na ike dị ha sitere na chi. Otu n'ime ahịhịa na mgbọrọgwụ ndị a ka a kpọrọ 'anụnụebe.' E ji anụnụebe eme ọtụtụ ọgwụ. Akụkọ kọrọ na ebe osisi anụnụebe kwụ, osisi ma ọ bụ ahịhịa anaghị anọsobe ya. Nnụnụ ma ọ bụ ihe ọbụla na-efe efe anaghị ebe n'osisi ya. Nke bee na ya, ọ nwụọ. Ahịhịa ọzọ bụ 'ọdaaopuo,' bụkwa nke ndị dibịa ji eme ọtụtụ ọgwụ ha ji agwọ ọrịa.

Leonard Eze kọkwara akụkọ maka ahịhịa dị n'ọhịa a na-akpọ 'njụ ọhịa.' Dị ka Nwaamadị Leonard Eze si kọwaa, ọ bụrụ na njụ ọhịa emetu mmadụ n'ahụ, onye ahụ agaghị amakwa onwe ya. Onye ahụ nwere ike si n'ime ọhịa ahụ, fuo ụzọ, gafee obodo ọzọ, naaga ganye na ike ahịhịa ahụ apụọ ya n'anya. Ụfọdụ na-anọru abalị abụọ ma ọ bụ atọ tupu ndị ma ọ bụ onye ma onye ahụ achọta ya. O nwekwara ahịhịa ọzọ a na-akpọ 'ibu anyị danda.' Nkọwa gosiri na ọ bụrụ na mmadụ eburu ibu dị ezigbo arọ, ibu ahụ ga-adị mfe ibu ma ọ tụkwasa 'ibu anyị danda' n'elu ya. N'otu aka ahụ kwa, e nwere, ahịhịa, akwụkwọ, na mgbọrọgwụ ndị ọzọ e ji agwọgasị ọrịa dị iche iche, ma e wepụ anụnụebe na ọdaaopuo bụ nke a kpọbugoro aha na mbụ. Otu n'ime ha bụ 'dogonnyaro'. E ji dogonnyaro eme ọgwụ ịba. Nke ọzọ bụ ahịhịa a kpọrọ 'ọbiaraọhụụ." E ji nke a akwachi ọnyaọ dị mmadụ n'ahụ, ọ kacha mgbe o mere ohụụ, oge ọ na-agba ọbara. Ọ bụrụ na e weta akwụkwọ ọbiaraọhụụ, marie ya n'aka, pịpụta mmiri ya. A tụsa mmiri ya ahụ nke naacha ndụ ndụ n'ọnya ahụ na-agba ọbara, ọbara ahụ ga-akwụsị ịgbapụta. Ọnya ahụ gaeji nwayọọ nwayọọ laa, onye meruru ahụ enwere onwe ya.

Akwụkwọ nri ndị ọzọ a maara ka ihe e ji agwọ ọrịa bụ 'ahụji/arụji/nche anwụ. Nke a naenye aka eme ka ụkwara maọbụ oke oyi melata. A na-esikọ ya na ji, na-aṅụ mmiri ya. Ụfọdụ mmadụ gbakwara akaebe na ha ji nke a zọọ onwe ha mgbe ha butere ọrịa COVID. Akwụkwọ nri ndị ọzọ na-enyere ndị mmadụ aka inweta arụ ike bụ 'onugbu,' ụtazị, na ụzịza. N'oge ugbu a, site n'ihe ọmụmụ sayensi na nka nri (food technology), a chọpụtala ọtụtụ ihe a na-akọ n'ubi nke na-enye aka ewepụ ọrịa dị mmadụ n'ahụ n'agbanyeghị na ha bụ nri ma ọ bụ ihe ọṅụṅụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ: akụ ilu, zobo, mịlịkị soya, mmiri ụgụ, yabaasị, na ndị ọzọ.

Ndị Dibịa Na Mgbọrọgwụ

Ndị Igbo na-atụ ilu na-ekwu, na osisi niile juru n'ọhịa, ma nwa dibịa a gara kara 'ọkazị.' Nke a na-egosi na mgbọrọgwụ, akwụkwọ, osisi, ahịhịa, na ihe ndị a e ji eme ọgwụ dịgasị, ma ọ bụghị onye ọbụla ma ha. Ndị nwere ọzụzụ pụrụ iche ma ọ bụ onyinye ịma ha, na etu e si eji ha arụ ọrụ bụ ndị dibịa. O nwere ndị kwenyere na ọ bụghị dibịa niile ka a naamụ amụ, na o nwere nke bụ ọnatarachi. N'ụdị nke a, onye ahụ pụtara ụwa, na-eji onwe ya mewe dibịa n'enweghị onye kuziiri ya. Ụfọdụ ndị dị otu a, na-ebu ụzọ mewe ka onye agwụ na-ebu tupu ọ malite n'ụzọ zuru oke rụwa ọrụ dibịa. Ụfọdụ kwukwara na ọ bụrụ na ọ zaghị oku dị otu a, o nwere ike nweta ihe ọghọm ma ọ bụ ọdachi.

Onye agwụ na-ebu bụ onye maara ihe, ma mgbe ụfọdụ o mee omume ga -adị ka nke onye isi ezuchaghi oke. Ụfọdụ na-ekwu na onye agwụ ma ihe ọ na-eme, ma ihe na-eme ya ka ọ maghị. Ịma atụ: Ọ na-aga n'ụzọ, o nwere ike kwuo okwu e nweghi onye na-asa ya. O nwere ike buru ntutu ghasara aghasa ma ọ bụ tinye isi ebe a tụghị anya ka mmadụ ga. N'ime ihe ndị a niile, gị na ya kwukọọ okwu, ị chọpụta na akọ na uche ya zuru ezu. Agwa ndị ahụ ọ na-akpa ka ụfọdụ ji asị na ịbụ dibịa na-akpọ ya oku.

Ndị dibịa dị n'ụdị dị iche iche. O nwere ndị bụ dibịa mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ. Ndị dibịa nke a bụ naanị ọgwụ na-enyere mmadụ aka ịgbake n'ọrịa ka ha na-eme. Ha nwere ike bụrụ ndị na-aga ụka. E lere anya na ha agaghị na-emetu aka n'ihe na-egbu mmadụ ma ọ bụ emeru mmadụ ahụ. Ụdị dibịa ọzọ e nwere bụ dibịa afa. Ụdị ndị dibịa ndị nke a ka e weere na ha na ndị mmọọ na-akpakọrịta ma ọ bụ na ha na-ahụ ndị mmọọ. Ihe mere ha ọpụrụiche na ndị dibịa ndị ọzọ bụ na, dị ka ndị mmadụ si kwenye, ha nwere ike isite n'ịgba afa chọpụta

ọrịa na-arịa mmadụ, na ihe butere ya. A na-ahụtakwa ha ka ndị nwere ike ịgwa mmadụ ka ọnọdụ ya ga-esi dị echi, ma ọ bụ ihe o nwere ike ime iji gbanwe ọnọdụ ya. Ọ bụghị naanị nke a, obodo niile nwere ike ịgwa ya ka ọ jụọrọ ha ase ihe na-egbochi agamnihu ha, ma ọ bụ gwa ya o lebara ha anya n'ihe ndị ọzọ metutara atụmatụ ma ọ bụ ndụ ha. Ndị dibịa ndi nke ọzọ bụ ndị na-adịghị agba afa, ma ha nwere ike ịrụ ọrụ ndị ọzọ ndị dibịa na-arụ. Ha nwere ike inye mmadụ ọgwụ ka ihe na-eme ya dị ya mma. Ọ bụrụ onye chọrọ ụdị enyemaka ọzọ, o nwere ike kechie ọgwụ nye ya. Ụfọdụ n'ime ha na-ekwu na ha na-eji mmiri, na-ahakwa mmiri. Ụfọdụ nwekwara ike zigara mmadụ ma ọ bụ obodo ọzọ agbaraka igwe nwere ike imebiri ha ihe. N'ime ọrụ niile ndị dibịa na-arụ, ihe e ji makarịrị ha bụ ịgwọ ọgwụ. Ọ bụ nke a mere ọtụtụ mmadụ ji atụ ha egwu, na-ezere ha.

Ndị Dibịa Na Ịgwọ Ọgwụ

Ndị Igbo kwenyere na o nwere ihe ndị dibịa na-eme na-egosi ike karịrị ike nke ha maara. Ụdị ike a na -ahịa ha ahụ ịghọtacha ka o si aga. Ihe ahụ ndị dibịa na-eme na-egosipụta ike ndị ahụ bụ ịgwọ ọgwụ. N'ime ya, ndị dibịa nwere ike were mgbọrọgwụ dị iche iche, jikọọ ya ọnụ, kpọkuo ndị mmọọ ha kwenyere na ya n'isi ihe ahụ ha kekọrọ, o bido kpawara ha ike ma ọ bụ mewe ihe ha chọrọ ka o mewe. Ọ bụghị naanị mgbọrọgwụ na ahịhịa ka ha na-ekekọ, oge ụfọdụ, ha nwere ike tinye ya ngwa ndị ọzọ, dị ka abụba, ọkpụkpụ, ego, eze anụmanụ, owu, okpokoro mbe, igwe, mgba aka, ajị, ntu, wdg. Nkwenye ndị mmadụ bụ na ozigbo dibịa mechara ihe ọ chọrọ ime n'ihe ndị a, ike pụrụ iche abanye n'ime ya nke na mmadụ ụfọdụ hụ ebe ọ tọgbọ, egwu imetu ya aka ma ọ bụ ịbịa ya nso ana-atụ ha. Ụfọdụ ndị mmadụ kwenyere na o nwere nke ọ ga-abụ mmadụ tinye ebe ọ kọrọ ugbo, onye ohi agaghị enwe ike metu ihe ọbụla aka ebe ahụ. Ụfọdụ ka a na-edobe n'ihu ụlọ ka ajọ ihe ọbụla mmadụ ji abata n'ezi na ụlọ ahụ rụọ ma ọ bụ mebie. Ụfọdụ na-adị n'ụdị mgba aka, nke na onye yiri ya, ajọ ihe ọbụla mmadụ bu n'obi metu ya aka agaghị adị ire. Ọgwụ a gwọrọ agwọ na-abịa n'ụdị dị iche iche maka ụdị ọrụ dị iche iche. O nwere nke obodo na-agwọ, nwekwaa nke ezi na ụlọ na-agwọ. Otu ndị ọgbọ nwere ike gwọta ọgwụ, ndị gbara egwu nwekwara ike gwọta ọgwụ maka nchedo otu ha. A na-agwọ ọgwụ e ji eje agha, a na-agwọkwa ọgwụ eji akpọku ndị mmọọ ka ihe a kụrụ n'ubi mee nke ọma. E nwere ọgwụ e ji eje ikpe, ga-eme ka ikpe laara onye ji ya. Ụfọdụ naagwọ nke ha ji anya moto ka ha ghara inwe ihe mberede. Ụfọdụ na-agwọkwa nke ha gaeji fepụ na ọ bụrụ na ihe mberede mee. Ụfọdụ na-agwọkwa nke ha ji achọ mbugo elu n'ọkwa ma ọ bụ ka

ha merie n'asọmpi. N'ebe ụfọdụ, ndị mmadụ na-agwọ ọgwụ ha ga-eji megide ibe ha.

'Achịere' bụ out ọrịa ọtụtụ mmadụ kwetara na a na-atụ ya mmadụ atụ, nke pụtara na mmadụ na-agwọta ọgwụ dobere ibe ya ka o nwee nsogbu dị otu a Achịere na-ebido site n'ịza onye ọ bịakwasara ụkwụ. Ka oge na-aga, akụkụ ụkwụ onye ahụ amalite naagbapu, na-agụsịsị mmiri. Onye chi ọjọọ nwere ike isi n'ime ya nwụọ, ebe ndị ọzọ nwere ike gbakee maka ọgwụ ndị dibịa mesara ha ka ọ dị mma. Ụfọdụ ndị kwenyekwara na a na-atụ mmadụ isi mgbaka, ma ọ bụ ghasaa onye na-etolite etolite ka ọ ghara ibụ mmadụ. Ụfọdụ ndị kwenyekwara na o nwere ndị mmadụ ibe ha na-eme ka ha bụrụ ndị na-ezu ori nke ga-eme ka e gbuo ha ma ọ bụ ka ha si n'ọnọdụ ahụ laa n'iyi. O nwekwara ndị ji mmadụ ibe ha agwọ ọgwụ ego, ebe ụfọdụ ka a kọrọ jiri nne na nna ha ma ọ bụ otu onye na ndị ikwu na ibe ha gwọọ ọgwụ ego. Ndị mere ihe dị otu a na-atụ anya na ego ga na-erupụtara ha ka orimiri ma ha gwọọ ọgwụ ahụ.

Ike Ụfọdụ Dị N'ọgwụ A Gwọrọ Agwọ

Ọtụtụ mmadụ kwenyere na ọgwụ na-akpa ike, na-emekwa ihe pụtara ihe na-egosi ndị mmadụ ire ya na ihe e nwere ike ịhụ na ya. Ụfọdụ n'ihe ndị ahụ na-eme n'ihu ọha na eze, ebe ndị ọzọ nwere ike ime n'ihu mmadụ ole na ole. N'oge gboo, ọtụtụ obodo na-ewepụta otu ụbọchị ma ọ bụ otu izu ụka n'afọ; onye ọbụla ga-apụta n'ọgbọ gosi ka ike ya ha n'ihe gbasara ịgwọ ọgwụ. Ụfọdụ obodo na-akpọ ya 'mgba ọgwụ,' 'ire ọgwụ,' ma ọ bụ 'ịgwa nshị.' N'ụbọchị ọgbakọ ahụ, onye ọbụla na-ewepụta amansi niile ọgwụ ya ji akpa ike, mee ka obodo hụ ya. Ọ na-abụrụ obodo nnukwu ihe ngosi na ihe ọṅụ nke ha ji ama ndị kacha agwọ ọgwụ na ndị dibịa ha. Thaddeus Aniago kọwara na oge e ji eme ụdị mmemme a na be ha bụ na mmemme ịgwa nshị. O kwuru na a bịa n'obodo ha bụ Eke, mmadụ niile anaghị ebu ọgwụ apụta ama n'ụbọchị mmemme ịgwa nshị. Ihe na-eme bụ na onye ọbụla na-anọrọ be ya rekwaa ọgwụ ya. N'ebe ahụ ka ọ ga-egosipụta amansi ya na ọgwụ ahụ so. Aniago kwuru na nna ya bụ James na-abịa bupụta akpati o ji ekpokonye ọgwụ ya dum ọ chọrọ irekwa. Ọ ga-abịa gwunye osisi ụzọ abụọ ebe ọgwụ ahụ ga-ekonye. Ọ ga-ejizi ụdọ likọọ ọgwụ ahụ niile dị n'akpati. O mechaa nke a, nna ya ga-abịazị kwuo okwu n'elu ọgwụ ahụ. Ozigbo ọ na-ekwucha okwu ahụ, ọgwụ ndị ahụ ejiri onwe ya fenie n'akpati ahụ kedo onwe ya n'osisi abụọ ahụ e gwunyere maka ya. Nke a bụ otu n'ihe ndị gbagwojuru anya a na-ahụ n'ọgwụ a

gwọrọ agwọ. Okoye (2020) kwukwara na n'obodo ha bụ Ịgbakwụ; o nwere oge e ji eme emume ọgwụ nke onye ọbụla ji egosi amansi ya nwere ike iji ọgwụ mee. Ọ kwuru na n'otu n'ime amansi ndị a, ka otu onye dibịa sị na ya nwere ike ịdị ime, mụọ nnwa. O kwuru na ya bụ onye dibịa dịrị ime n'ihu onye ọbụla ma mụọ nnwa. Ihe soteziri bụ na nwa dibịa ahụ na nwa ọ mụrụ nwụrụ n'anyasị na-esote mgbe ahụ o ji mụ nnwa. Nke a bụkwa amansi gbagwojuru anya sitere n'ọgwụ. Okoye (2018) kọkwara ka ndi obodo ha bụ Ịgbakwụ si kpebie otu oge na ha chọrọ ịgwọta ọgwụ ga-eme ka mmadụ hapụ ịdị na-anwụ ọnwụ n'obodo ha. O kwuru na ha mere nke a, mmadụ kwụsị ịnwụ ma ihe sochiri ya bụ na ụmụ nwaanyị obodo ha anaghị atụkwa ime, nke ha ji amụ nnwa. Nke a mere na obodo ha adịghị amụtazị ụmụaka, ma o nweghị onye na-anwụ ọnwụ. Nke a tụrụ ha n'ọnụ, ha megharịa ihe ahụ e mere, mmadụ bidokwa ịnwụ, ụmụ nwaanyị malitekwa mụwa nnwa. Nke a bụkwa ihe ọzọ gbagwojuru anya a na-ahụ n'ọgwụ.

Ọ bụghị naanị ndị a, a kpọrọ aha, Magnus Aniago kwuru na ya hụrụ n'otu ahịa, ka otu nwa okorobịa onye Awụsa si jiri mma na-eme amansi, were mma na-eyi onwe ya n'ahụ niile, ma na mma ahụ adịghị eyipu ya ahụ, nke ọbara ọbụla ji agbapụta. Nke a bụ ihe mgbagwoju anya sitere n'ọgwụ. N'akụkọ ọzọ, Aniago kọrọ ka otu nwoke onye Awụsa si buru akpati agwọ jupụtara n'ime ya. Nwoke ahụ nwere ọgwụ o ji nke o kwuru na onye taa ọgwụ ahụ, na agwọ agaghị enwe ike ịta onye ahụ. Onye dibịa ahụ ji aka ya kpopụta ụfọdụ agwọ ahụ dị n'akpati, koo ya n'olu, ma na o nweghi nke tara ya. Nke a abụrụ ihe mgbagwoju anya sitere n'ọgwụ.

Ebe ndị ọzọ a na-ahụ ihe mgbagwoju anya sitere n'ọgwụ bụ ebe a na-eti mmọnwụ. Ụfọdụ n'ime mmọnwụ ndị a, na-esite n'ike dị n'ọgwụ na-eme ihe na-agbagwoju mmadụ anya. Mmọnwụ, a na-akpọ 'otiokpokpo' na-agba aka arị elu osisi ọbụla ma ọ gaghị ada. Isi ya na-eche n'elu ma ọ na-arigo, ma ọ na-arịtu, ọ kpọdo isi n'ala. Ọ rịa elu nkwụ, o were ụkwụ zọkasịa ebe ogwu na-adị, ma ogwu ahụ agaghị ama ya. Nke a bụkwa ihe mgbagwoju anya. Mmọnwụ ndị ọzọ ihe ha na-eme na-esi ike ịghọta bụ: mmọnwụ nkata, iyi agbaọkụ, ịzaga, mmọnwụ wọnda, ijele, wdg.

E wepụ nke mmọnwụ, akụkọ kọrọ ka ndị dibịa si esi 'enyi.' ọ ga zọrisie ugbo ndị iro ha na akụkụ dị na ya, si ụzọ dị out a wetere ha ọghọm agụụ na ụganị. E

kwukwara maka ndị na-eziga egbe igwe, na-aga emebisi akụ na ụba ma ụlọ ndị ha na ha nwere nghọtahie. Otu ihe mgbagwoju anya ọzọ e kwuru na-esochi ihe ndị a na-eje ọgụ bụ na ọ naalọghachi azụ mee mkpọtụ ma ọ bụ bugharịa ihe n'obodo e si zipụ ya. Ụfọdụ nwere ike mee e nwee oke ikuku ma ọ bụ ala ọma jijiji.

Mmechi

Ihe gbasara ọgwụ a gwọrọ agwọ na ka o si arụ ọrụ bụ ihe ka na-agbagwoju ndị mmadụ anya n'omenala Igbo. Ọtụtụ n'ihe a na-ahụ n'ọgwụ bụ ndị dibịa na-eme ya. Ndị dibịa naemepụta ọgwụ eji agwọ ọrịa. Ha na-emepụtakwa ọgwụ ndị ọzọ ndị mmadụ ụfọdụ naakọwa na-enyere ha aka echedo ubi ha, ma ọ bụ ụlọ ha. Ha na-anarakwa nwa dibịa nke ha ji aga n'okporo ụzọ, ha kwuru na-egbochiri ha ihe mberede. Ọgwụ ụfọdụ bụ nke e ji ebuso ndị iro agha. Ụfọdụ bụ nke e ji eti mmọnwụ, ebe ndị ọzọ bụ nke e ji alụ nsị. Ọ dị mkpa ka a mata na ụka na nkuzi ya emeela na ọtụtụ ndị Igbo anaghị etinyekwa anya n'ihe banyere ịgwọ ọgwụ n'ihi na o metutara ihe gbasara okpukpere Chi ha.

Edensibịa

Aniago, Magnus of Enugwu Eke. Interviewed 12-03-2003

Aniago, Thaddeus of Enugwu Eke. Interviewed 12-11-1992

Eze, R.I. (2021). Nkuzi omenaala Igbo n'ime Omeja, M.O. Onwuka, G.T. Ntọala nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. (pg 153- 173). Nsukka: Paschal Communications).

Joseph Okoye of Igbakwu, 21/05/2020

Odo, C.O, Mbah, B.M & Okey-Agbo, J.N. (2021). Iti akwa ọnwụ n'ukwu na Nsụka. Nsukka Journal of African Languages and Linguistics. 16. 15-3

Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Owa. Interviewed 11-06-2018

Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka

Journal of Humanities. 27(2) 15-28